EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

# NZIPỤTA ỌNWỤ N'ỤZỌ MBỤRỤ N'ABỤ ỌNWỤ DỊ N'*AKPA UCHE*

**Chinedu C. EZEBUBE; Chioma M. AKAEZE & Ogechukwu F. U. CHUKWUNEKE**
chinedu.ezebube@unn.edu.ng; chioma.akaeze@unn.edu.ng;
ogechukwu.chukwuneke@unn.edu.ng
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị Ọzọ
Mahadum Naịjirịa, Nsụka

## Ụmị edemede

Nchọcha a nyochara nzipụta ọnwụ n'ụzọ mbụrụ n'abụ ọnwụ dị n'*Akpa Uche*. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta mbụrụ ndị e ji zipụta ọnwụ n'abụ ndị a họọrọ, etu e si eji mbụrụ ezipụta ọnwụ nakwa etu mbụrụ ndị ahụ si bụrụ enyo e ji ahụta ndụ ndị Igbo. Ndị ọchọcha gbadoro ụkwụ n'abụ anọ e dere n'ọnwụ kpọmkwem dị n'*Akpa Uche* iji nweta ngwa nchọcha. Atụtụ e ji mee nchọcha bụ atụtụ mmado mbụrụ/atụtụ mbụrụ ndịnechiche nke Lakoff na Johnson. Site n'iji atụtụ a, ọrụ nchọcha a gosiri na mbụrụ metụtara echiche ma bụrụkwa ụzọ mmadụ si akọwa etu o si ahụta ụwa o bi n'ime ya. Na nchọpụta e mere, a chọpụtara na e nwegasịrị mbụrụ ndịnechiche ndị odeabụ e nyochara abụ ha ji kọwaa ọnwụ. Mbụrụ ndị a bụ 'ỌNWỤ BỤ IHE', 'ỌNWỤ BỤ MMADỤ', 'ỌNWỤ BỤ NDỤ', na 'ỌNWỤ BỤ NJEDEBE'. 'ỌNWỤ BỤ MMADỤ' kacha gbaa elu n'abụ ndị e nyochara. Ndị odeabụ ndị a ji nnọchiaha 'i, ị, o, ọ, gị' zipụta ọnwụ dịka mmadụ nkịtị na-eku ume. Mbụrụ ndịnechiche ndị a chọpụtara gosipụtara nkwenye na nhụrụụwa ndị odeabụ ndị e nyochara abụ ha n'ihe gbasara ọnwụ. Nke a gosiri na n'agbanyeghị na eziokwu dị n'abụ dị mkpa, ihe kacha mkpa bụ mma, nke a na-enweta site n'asụsụ.

## Mkpọlite

Ọnwụ bụ ihe zuru ụwa niile ọnụ n'ihi na mmadụ maọbụ ihe e kere eke ọbụla ga-anwụrịrị. Nke a mere e ji atụ ọnwụ egwu maka adịmomimi ya. Adịmomimi ọnwụ sitere n'etu o si egbu mmadụ n'ụwa. Ebe ụfọdụ mmadụ maara ihe ga-egbu ha, ụfọdụ amaghị. N'otu aka ahụ, ụfọdụ amaghị ọnọdụ ha ga-esi na ya were nwụọ maọbụ ihe ga-eme mkpụrụobi na

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

àhụ́ ha ma ha nwụọ. Ihe ndị a niile na-ebute mgbagwoju anya, ụjọ na mmetụta n'obi gbasara ọnwụ. Peter (2001) kọwara na ọnwụ na-egbu n'enweghị nkewa ọbụla. Ọ na-egbu ma onye ukwu ma onye nta, Peter (2001:20) kwuru "ọnwụ anaghị ana aka azụ." Dịka Kolwaski (2007:550-556) siri kọwaa, ọnwụ nwere ike iweta ụdịrị mmetụta dị iche iche, nke ga-agbadorịrị ụkwụ ka omenala ndị si dị. N'agbanyeghị nke a, ọ chọpụtara na otu ihe zuru ụwa niile ọnụ nke ọnwụ na-eweta n'agbanyeghị agbụrụ maọbụ mba onye si bụ ụjọ/egwu.

Ndị Igbo, dịka otu agbụrụ e nwere na mba Afrịka kwenyere n'ọnwụ. Ha na-ezipụta echiche na nghọta ha nwere gbasara ọnwụ site n'aha ha na-aza. Ụfọdụ aha ndị a gụnyere – 'Ọnwụasọanya', 'Ọnwụamaeze', 'Ọnwụbụarịrị', 'Ọnwụchekwa' na 'Ọnwụdịwe'. Aha ndị a na-ezipụta nsirihụụwa ndị Igbo gbasara ọnwụ. Ọnwụ dịka isiokwu bụ nke a na-ezipụtakarị n'ụzọ nkwuma. Nke a sitere n'echemeche e nwere na ọ dịghị mma izipụta ọnwụ kpọmkwem etu o si dị n'ihi na ọ bụrụ na e zipụta ya etu ahụ, o nwere ike ibute mgbawa obi maọbụ mmerụ ahụ nye onye a gwara ya. Uzochukwu (2012) kọwara nkwuma dịka ụzọ e si ezipụta ihe ndị anaghị adị mma ịkpọ aha n'ihi na ha na-eyi oyi ịnụ na ntị maọbụ na-akpụ akpụ ikwupụta n'ọnụ. Uzochukwu (2012:38) gara n'ihu ịkọwa "n'ihi na ọnwụ na-emetụta na mmụọ, a naghị akpọkebe ya aha." Iji nkwuma ezipụta ọnwụ metụtara mbụrụ. Mbụrụ bụ atụmatụokwu nke na-ewere okwu nwere mpụtara ọzọ ma nọchie anya okwu ọzọ, nke ga-eme ka o gosi na ha nwere ka ha si yite (Rosenblatt, 1994). Crespo-Fernández (2006) kọwara na mbụrụ bụ ụzọ kachasị dị ike e si ezipụta nkwuma metụtara ọnwụ n'ihi na isiokwu gbasara ọnwụ bụ nke a na-ahụta dịka arụ ma ọ bụrụ na e kwupụta ya etu ọ dị kpọmkwem. Ọ gara n'ihu kọwaa na nkwupụta ọnwụ na-eweta égwù. Egwu nke nwere isite n'ọnwụ onye/ndị mmadụ hụrụ n'anya, egwu maka mmebi nke ahụ, egwu mmụọ ọjọọ nakwa egwu maka ihe nwere ike ịbịa ma ọnwụ gasịa. Crespo-Fernández (2006) kwenyere na nhịahụ ndị mmadụ nwere gbasara ọnwụ nakwa nnabata ya bụ ihe zuru ụwa niile ọnụ.

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

N’agbanyeghị na ọnwụ na mbụrụ zuru ụwa niile ọnụ, ọ dị mkpa ịrụtụ aka na nzipụta ha dịwagara iche na mba ụwa dị iche iche. Nke a pụtara na mbụrụ metụtara omenala ndị (Liu, 2002). Ihe nke a na-akọwa bụ na mbụrụ bụ ụzọ e si ezipụta omenala na nkwenye ndị n’ihi na ihe ndị anabataghị n’omenala ha enweghị ike ịdị ire na mbụrụ ha. Mba ụwa niile gbaa gburu gburu nwere usoro ebimndụ na nkwenye dịwagara iche n’onwe ha. N’ihi nke a, etu ha si ahụta ndụ dịwagara iche, n’agbanyeghị na ha nwere ike inwe myiri. Nchọcha a gbadoro ụkwụ na nnyocha ụzọ e si zipụta ọnwụ n’ụdi mbụrụ n’abụ ọnwụ ndị dị n’*Akpa Uche*. Mbunuche nchọcha gụnyere:

i. ịchọpụta mbụrụ ndị e ji zipụta ọnwụ n’abụ ndị a họọrọ;
ii. ịchọpụta etu e si were mbụrụ ndị ahụ zipụta ọnwụ n’abụ ndị ahụ; na
iii. ịmata etu mbụrụ ndị ahụ si zipụta nhụrụụwa ndị Igbo gbasara ọnwụ.

**Nkọwa mbụrụ n’uju**

Na nkọwa nkịtị, mbụrụ bụ atụmatụokwu na-akọwa na ihe bụ ihe a na-ekwu maka ya kpọmkwem. A na-ejikarị ‘bụ’ ezipụta ya. Nkọwa a dị n’elu bụ nkọwa izugbe e nwere maka mbụrụ. N’echiche Ortony (1993), e nwere ike ịhụta nkọwa mbụrụ n’ụzọ abụọ - nke ọdịnala na nke ọlọrọọhụrụ. Ụzọ ọdịnala na-ahụta mbụrụ dịka atụmatụokwu nkịtị, nke e ji achọkarị agụmagụ mma, ọkachasị abụ. Kövecses (2010) rụtụrụ aka na nkọwa mbụrụ n’ụzọ ọdịnala na-ezipụta mbụrụ dịka asụsụ nka e ji achọkarị agụmagụ mma, ma bụrụkwa nke anaghị enwetakarị n’ekwumekwu mkparịtaụka. Ọ kọwara na mbụrụ bụ nke ọ bụ naanị ndị ọka n’agụmagụ nwere ike izipụta n’ederede ha. N’ụzọ ọlọrọọhụrụ, mmadụ dịka Lakoff na Johnson (1980) gbaghara echemeche mbụrụ ọdịnala, ma kwuo na mbụrụ metụtara nchemiuche na nhụrụụwa ndị mmadụ. Kövecses (2010) kwuru na ọ bụrụ na e lebaa anya na mbụrụ ọlọrọọhụrụ, a ga-ahụta na ọ bụ ụzọ e si enye ụfọdụ isiokwu nkọwa tọrọ atọ, nke ga-eme ka nghọta e nwere gbasara isiokwu ahụ dowanye ndị mmadụ anya. Ọ gakwara n’ihu rụtụ aka na mbụrụ bụ nke a na-ahụtakarị na ndụ; nke pụtara na mmadụ nkịtị na-ezipụta ya na mkparịtauka ha n’amaghị ama. O nyekwara nkọwa na onye ọbụla nwere ike izipụta n’ekwumekwu ya. Ọ bụghị nke naanị ndị ọka n’agụmagụ nwere ikike

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

iji rụọ ọrụ. Nchọcha a hiwere isi na mbụrụ ọlọrọọhụrụ n'ihi na o kwenyere na site na mbụrụ ndị e ji zipụta ọnwụ n'*Akpa Uche*, ọ ga-enyere aka na nkọwa na nghọta nsirihụụwa ndị Igbo n'ihe gbasara ọnwụ.

Ekwealor (2009) kọwara mbụrụ dịka iwere ihe eyiteghị ihe tụnyere ya site n'ikwuzi na ọ bụ ihe ahụ kpọmkwem. Nke a pụtara na e nwere mmado na mbụrụ n'etiti ihe abụọ na-anọghị n'otu ogo maọbụ na-eyiteghị onwe ha. Iji maa atụ (**Ọm. 1**) – Chidịmma bụ agụ. Ọmụmaatụ a bụ mbụrụ. Ọ bụrụ na e lee anya n'ọmụmaatụ a, a ga-achọpụta na 'Chidịmma' bụ mmadụ na-eku ume, nke nwere amamihe, biri n'ụlọ ma nwee njirimara mmadụ. Agụ bụ anụmanụ, nke enweghị ọdịdị mmadụ dịka o si metụta amamihe. Agụ na-ebi n'ime ọhịa. N'ọmụmaatụ a, e ji 'Agụ' tụnyere 'Chidịmma'. Nke a anaghị ekwu na Chidịmma bụ agụ na nghọta nsenelu; kama ọ na-ekwu na e nwere akparamagwa/njirimara agụ nke Chidịmma na-ezipụta, nke metụtara adịmike. Ọ dịkwa mkpa ịrụtụ aka na mbụrụ metụtara omenala na nkwenye ndị. N'Igbo, e ji adịmike mara agụ; mana nke a nwere ike ịdị iche n'asụsụ na omenala mba ụwa ndị ọzọ. Okebalama (2003) kọwara na atụmatụechiche (nkaasụsụ niile nwere nghọta dị iche n'ihe ha na-ekwu dịka myiri, ahaọnọchi, egbeokwu, mpagharaọnọchi na nkwuma) niile hiwere isi na mbụrụ. O kwuru na atụmatụechiche niile bụcha ngalaba mbụrụ n'ihi na ha niile sitere na mbụrụ. Ọ gakwara n'ihu ịrụtụ aka na ọ bụghị mgbe niile ka e ji 'bụ' amata mbụrụ n'okwu. N'echiche Uzochukwu (2012), atụmatụokwu niile bụ mbụrụ e nyere aha dị iche iche. N'ọrụ nchọcha a, a hụtara mbụrụ dịka atụmatụokwu nke atụmatụokwu ndị ọzọ sitere n'ime ya, ọkachasị ndị nghọta ha dị omimi. Nke a pụtara na a hụtara ọmụmaatụ ndị metụtara myiri, egbeokwu, nkwuma dgz. dịka mbụrụ n'ọrụ nchọcha a.

## Atụtụ nchọcha


Nchọcha a hiwere isi n'atụtụ mmado mbụrụ/atụtụ mbụrụ ndịnechiche (Conceptual Metaphor Theory) nke Lakoff na Johnson (1980). Ụmụ amadi ndị a zipụtara atụtụ a n'akwụkwọ ha bipụtara n'afọ 1980, nke ha kpọrọ *Metaphor We Live By*. Atụtụ mmado

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

mbụrụ nke Lakoff na Johnson (1980) bụ nke na-akọwa na ihe niile mmadụ na-eme na ndụ bụ nke jupụtara na mbụrụ, ọkachasị n’ebe ekwumekwu na mkparịtaụka dị (Geary, 2011). Ọ na-arụtụkwa aka na mbụrụ abụghị naanị ngwaọrụ na nkaasụsụ e ji achọ agụmagụ mma, kama, ọ bụ ụzọ mmadụ nwere ike iji zipụta echiche ya ma kọwaa ndụ. Echemeche a mere ọtụtụ ndị ọchọcha ji akpọ atụtụ mmado mbụrụ ‘atụtụ mbụrụ ọlọrọọhụrụ’ n’ihi na ha kwenyere na ya bụ atụtụ ebuliela mbụrụ, wepụ ya naanị n’ogo asụsụ, ma webata ya n’ogo echiche na nghọta. Lakoff (1993) kọwara mbụrụ dịka ntụnyere, nke na-ebute mmado si n’otu ọdọ gaa n’ọdọ ọzọ. Iji mee ka nke a doo anya, tụlee ọmụmaatụ a:

(**Ọm. 2**) Adaakụ bụ agwọ

N’ọmụmaatụ a dị n’elu, Adaakụ bụ mmadụ, ebe agwọ bụ anụmanụ. Nke a pụtara na ‘Adaakụ’ na ‘agwọ’ anọghị n’otu ogo. Ihe pụtara ihe n’ọmụmaatụ a bụ na e ji agwọ tụnyere Adaakụ, site n’ịmado akparamagwa/njirimara agwọ n’Adaakụ. Na mbụrụ, a na-enwe ọdọ abụọ - ọdọ nzimozi na ọdọ nnara. Ọdọ nzimozi bụ ihe ahụ e ji mee ntụnyere maọbụ ihe e ji zie ozi ebe ọdọ nnara bụ ihe/onye a na-ekwu maka ya, nke a chọrọ ka a ghọta nke ọma. Eserese nọ n’okpuru, nke sitere n’Ọm. 1 e nyere n’elu ga-enye aka ịghọta nke a:




Lakoff na Johnson (1980) ji ọmụmaatụ (**Ọm. 3**) - ỊHỤNANYA BỤ IME NJEM kọwaa ihe gbasara mmado ọdọ nzimozi n’ọdọ nnata. Ha kọwara na e nwere ike iji nghọta e nwere maka ime njem ‘ọdọ nzimozi’ kọwaa ịhụnanya ‘ọdọ nnata’. N’ọnọdụ dị etu a, ndị hụrụ onwe ha n’anya na-ewere onwe ha ka ndị na-eme njem. Lakoff na Turner (1989)

kwuru na mbụrụ na-enyere mmadụ aka ịghọta otu ọdọ amamihe site n'ọnọdụ ọdọ ọzọ. Golzadeh na Pourebrahim (2013) kọwara na e nwere ndịiche dị n'etiti mbụrụ ndịnechiche na nkwupụta metụtara mbụrụ. Mbụrụ ndịnechiche bụ mbụrụ n'uju, nke e nwere ike isite na ya nweta nkwupụta metụtara mbụrụ. A na-eji nnukwu mkpụrụedemede edepụta mbụrụ ndịnechiche. Iji kọwaa nke a nke ọma, e nwere ike ịsị na mbụrụ ndịnechiche (Ọm. 2) – 'Adaakụ bụ agwọ' bụ 'MMADỤ BỤ ANỤMANỤ'. Ọ dịkwa mkpa ịrụtụ aka na ọ bụrụ na a na-eme mmado, ọ bụghị agwara/njirimara niile ihe a na-amado nwere ka a na-ezipụta (Evans na Green, 2006:303). Nke a pụtara na e nwere agwara na-enwe oke mpụtaihe, ma nwekwaa nke ga-ezo ezo. Ọnọdụ bụ otu ihe na-enyere aka ịmata agwara/njirimara a na-amado.

**Nchọcha ndị e merela n'isiokwu**

Ọtụtụ ndị ọchọcha emeela ihe ọmụmụ gbasara etu e si eji mbụrụ ezipụta ọnwụ. Agba nke a na-eleba anya n'ọrụ nchọcha ndị e merela metụtara ọnwụ na mbụrụ. Nke a ga-enye aka izipụta nzubere ọrụ nchọcha a ma gakwaa n'ihu igosipụta mkpalitere nchọcha a.

Nyakoe, Matu na Ongarora (2012) nyochara nzipụta ọnwụ dịka njem na ezumike na nkwuma ndị EkeGusii. EkeGusii bụ asụsụ Bantu, nke a na-asụ na mpaghara Kenya. Mbunuche nchọcha ha bụ ịchọpụta etu e si ezipụta ọnwụ ka njem na ezumike n'EkeGusii. Ebe ha mere nchọcha ha bụ na Nyamira, ebe ha nọrọ nye mmadụ iri akwụkwọ ajụjụ, idepụta okwu nkwuma ise ha ji ezipụta ọnwụ. Ọrụ nchọcha ha gbadoro ụkwụ n'atụtụ mmado mbụrụ. Nyakoe, Matu na Ongarora (2012) chọpụtara na ndị EkeGusii na-eji nkwuma dịka – ime njem, mgbago na mmadụ ịhapụ ezipụta ọnwụ dịka njem, ebe onye nwụrụ anwụ na-alaghachikwuru Chukwu kere ya n'eluigwe. N'ihi nke a, a na-eji ọnwụ dịka njem akasi ndị mmadụ nwụnarịrị obi maka na e weere ya na mmadụ niile nọ n'ụwa na-eme njem, nke onye ọbụla ga-abịarịrị na njedebe ya bụ njem oge onye kere ya ga-akpọku ya. N'EkeGusii, a na-ahụtakwa ọnwụ dịka ezumike ebe onye nwụrụ

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

anwụ ga-ewepụ onwe ya n'ahụhụ na mgbakasị ahụ niile jupụtara n'ụwa. N'ihi nke a, a na-ewere ọnwụ dịka ezumike, ebe onye nwụrụ anwụ ga-ekuru ume ndụ.

Sardaraz na Ali (2016) lebara anya n'etu e si ezipụta ọnwụ na mbilite n'ọnwụ na Koran. Ha kọwara na ọ bụrụ na e lebaa anya nke ọma na Koran, a ga-achọpụta na e jighi asụsụ nkịtị ezipụta ọnwụ. N'ihi nke a, mbunuche nchọcha ha bụ inyocha site n'ịgbado ụkwụ n'atụtụ mmado mbụrụ, etu e si ezipụta ọnwụ na mbilite n'ọnwụ na Koran. Sardaraz na Ali (2016) chọpụtara na otu ụzọ e si ezipụta ọnwụ na Koran bụ ụra. Ha kọwara na oge ọbụla a kọwara ọnwụ dịka ụra na Koran, a na-akọwa mbilite n'ọnwụ dịka nteta n'ụra; ebe a na-ewere ili dịka ebe mmadụ nọ arahụ ụra. Koran na-ezipụtakwa ọnwụ dịka mmadụ. N'ebe a, a na-ewere ọnwụ dịka mmadụ, nke nwere ike ịbịakwute mmadụ ọzọ. A na-ezipụtakwa ọnwụ dịka onye njide, nke na-ewetara mmadụ nsogbu. N'ihi nke a, a na-ahụta ọnwụ dịka onye ndị mmadụ kwesịrị ịgbanarị. N'otu aka ahụ, Koran na-ezipụtakwa ọnwụ dịka ihe a na-atụ oke egwu; ma bụrụkwa ihe na-eyi ndị mmadụ oke egwu. A na-ahụtakwa ọnwụ na ndụ dịka ihe okike dị ndụ. Dịka o si metụta mbilite n'ọnwụ, a na-ezipụta ya dịka òtútú. Nke a dị ire n'ihi na Koran kwenyere na mmadụ bụ mkpụrụ akụkụ ubi, nke ga-epulite n'ụbọchị ikpe. Nchọcha Sardaraz na Ali gosiri na atụtụ mmado mbụrụ bụ ezigbo ngwaọrụ e nwere ike iji nyochaa ihe ndị dị n'uche mmadụ, nke a na-apụghị imetụ aka.

Kuczok (2016) mere ntụlekọrịta nzipụta 'ọnwụ' na 'ọnwụnwụ' n'ụzọ mbụrụ dịka o si pụta ihe n'asụsụ bekee ndị Amerịka na asụsụ Polish. Mbunuche nchọcha ya bụ ịmata etu ndị na-asụ bekee Amerịka na Polish si dị iche na nzipụta ọnwụ n'asụsụ ha gasị. Ọzọ bụ ịchọpụta mbụrụ e ji ezipụta ọnwụ asụsụ abụọ ndị a nwekọrọ ọnụ nakwa ndị ha enwekọghị ọnụ. Iji mejupụta mbunuche nchọcha ya, Kuczok (2016) si na *Corpus of Contemporary American English* (COCA) na *Narodowy Korpus Języka Polskiego* (NKJP) nweta ngwa nchọcha o ji mee nchọcha ya. Kuczok chọpụtara na a bịa n'asụsụ bekee Amerịka na Polish, ha na-ezipụta ọnwụ site n'iji mbụrụ ndịnechiche, dịka ỌNWỤ

BỤ MFUNARỊ IHE, ỌNWỤ BỤ MMALITE NJEM, ỌNWỤ BỤ EZUMIKE/ỤRA, ỌNWỤ BỤ NJEDEBE, ỌNWỤ BỤ MMALITE NDỤ ỌHỤRỤ/NDỤ AṄỤRỊ na ỌNWỤ BỤ NKWENYE. Kuczok (2016) chọpụtara na ndị Amerịka na-ejikarị 'ỌNWỤ BỤ MFUNARỊ IHE' ezipụta ọnwụ karịa mbụrụ ndịnechiche ndị ọzọ a kpọrọ aha n'elu, ebe ndị Polish na-ejikarị 'ỌNWỤ BỤ NJEDEBE' ezipụta ọnwụ. Ọ rụtụrụ aka na n'agbanyeghị na ndị Amerịka na Polish na-eji mbụrụ ndịnechiche yiri onwe ha ezipụta ọnwụ, ọ dị mkpa ịmata na ogo ha ji eme nke a dịwagara iche.

Gathigia (2017) mere nchọcha n'ụzọ e si eji mbụrụ ezipụta ọnwụ n'asụsụ Gĩkũyũ. Gĩkũyũ bụ asụsụ si n'ezinaụlọ asụsụ Niger-Congo, nke a na-asụkarị na Kenya. Mbunuche nchọcha ya bụ ịchọpụta mbụrụ ndị metụtara ọnwụ na Gĩkũyũ nakwa nchọpụta echiche a na-enweta site na mbụrụ ndị ahụ. Gathigia (2017) nwetara ọnụọgụgụ mbụrụ metụtara ọnwụ dị iri anọ na asaa, site n'ọnụ ndị ọ gbara ajụjụ ọnụ dị iri abụọ. Ọrụ nchọcha ya gbasoro atụtụ mmado mbụrụ wee rụọ ọrụ. Na nchọpụta ya, ọ chọpụtara na e nwere ụzọ anọ e si ezipụta ọnwụ site n'usoro mbụrụ ndịnechiche - ỌNWỤ BỤ NJEM, ỌNWỤ BỤ NJEDEBE, ỌNWỤ BỤ EZUMIKE na ỌNWỤ BỤ MKPỌKU. Gathigia (2017) kọwara na a na-ezipụtakarị ọnwụ n'ụzọ njem na Gĩkũyũ. Ọ gara n'ihu zipụta na ndị Agĩkũyũ na-ewere onye nwụrụ anwụ dịka onye mere njem; nke pụtara na ha anaghị enwecha ezi nkwenye na onye ahụ nwụrụ n'eziokwu. Ọ chọpụtakwara na ndị Agĩkũyũ nwere nkwenye na Chukwu nwere ebe ọ kwadoro ndị kwenyere na ya, nke bụ na onye ahụ nwụọ, ọ ga-aga eluigwe, ma nọrọ n'alaeze Chukwu kwere na nkwa n'Akwụkwọ nsọ. A na-ezipụtakwa ọnwụ dịka njedebe, ebe e kwere na onye nwụrụ anwụ arụsịala ọrụ ọ bịara n'ụwa ịrụ. Nke a pụtara na ndị Agĩkũyũ na-ewere ọnwụ dịka njedebe/ngwụcha ndụ. Ndị Agĩkũyũ na-ewerekwa ọnwụ ka ezumike maọbụ nrahụ ụra. Ha kwenyere na ọnwụ bụ ezumike pụọ na nsogbu dị n'ụwa. Na ỌNWỤ BỤ MKPỌKU bụ na e weere ya na Eke kere ụwa kpọrọ onye ahụ nwụrụ anwụ oku, nke ọ ga-azarịrị.

Ọ bụrụ na e lebaa anya n’ọrụ nchọcha ndị e nyochara n’elu, a ga-achọpụta na asụsụ ọbụla nakwa agbụrụ ọbụla nwere etu ha si ezipụta ma akọwa ọnwụ. Nke a so n’otu mkpalitere nchọcha a, nke bụ ịchọpụta etu ndị odeabụ Igbo si eji mbụrụ ezipụta ọnwụ n’abụ ha. Ọrụ nchọcha ndị a tụlere n’elu yitere nke nchọcha a na-eme n’ihi na ha niile na-eleba anya na mbụrụ ndị metụtara ọnwụ. Ndịiche ọrụ nchọcha a na ndị nke a tụlere sitere n’asụsụ n’ihi na o nweghị ọrụ e nyochara gbadoro ụkwụ n’asụsụ Igbo. Ọzọ kwa, ọrụ nchọcha dịka Kuczok (2016) mere ntụlekọrịta asụsụ bekee Amerịka na asụsụ Polish. Nke a abụghị nzubere ọrụ nchọcha a na-eme ugbu a.

**Usoro nchọcha**

Iji nweta ngwa ọrụ nchọcha, ndị ọchọcha họpụtara abụ ọnwụ niile dị n’*Akpa Uche*. Ọnụọgụgụ abụ ndị ahụ dị anọ. Abụ ndị ahụ bụ ‘Ọnwụ’ (ihu 3-4) nke J. Chukwuemeka Obienyem, ‘Ọnwụ’ (ihu 4-6) nke J. U. Tagbo Nzeako, ‘Ọnwụ’ (ihu 6) nke C. W. Ajaegbu na ‘Ọnwụ’ (ihu 44-45) nke Chidi Emenike. Ndị ọchọcha mere ngụmi abụ ndị ahụ ugboro ugboro, ma wepụta mbụrụ ndịnechiche na nkwupụta metụtara mbụrụ sitere na mbụrụ ndịnechiche ndị ahụ. E nyochakwara mbụrụ ndị ahụ ma rụtụ aka etu ha si bụrụ ụzọ ndị odeabụ e nyochara abụ ha si ezipụta etu ndị Igbo si ahụta ụwa.

**Ntụle na nnyocha data**

N’ebe a, a ga-eleba anya n’abụ ndị a hoọrọ maka ọrụ nchọcha ma tụlee ka ndị odeabụ dere abụ ndị ahụ si were mbụrụ rụọ ọrụ n’ụzọ pụrụ iche.

- **Ọnwụ - J. Chukwuemeka Obienyem (ihu 3-4)**

‘Ọnwụ’ nke J. Chukwuemeka Obienyem nwere nkebiabụ ise. Nkebiabụ ndị mebere ahịrịabụ a ahaghị nhatanha. Mbụrụ ndịnechiche gbaara elu n’abụ a bụ - ỌNWỤ BỤ IHE; n’agbanyeghị na e nwere ‘ỌNWỤ BỤ MMADỤ.’ Na nkebiabụ nke mbụ, odeabụ zipụtara ọnwụ dị ka ihe zuru ụwa ọnụ, nke na o nweghị onye nwere ike igbote ya. Nkebiabụ nke abụọ na-egosi adịmire ọnwụ na mpaghara ụwa niile.

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

O nwere ala ebe ị kọrọ ụkọ?
Nnụnụ nke igwe agbanapụghị
Ihe gakwudoro kpakparị nwa Ọkpọ ngụ
N’ime onunu ala (ahịrị 5-8; ihu 3)

Ajụjụ bidoro nkebiabụ a gosiri na ọnwụ zuru ebe niile. N’otu aka ahụ, o nweghị ihe/onye nwere ike ịgbanarị ya. Iji kwado nke a, ọ kọwara etu ọnwụ si baa n’onunu ala ma gbuo kpakparị. Nkebiabụ nke atọ nwere mbụrụ ndịnechiche abụọ - ỌNWỤ BỤ MMADỤ na ỌNWỤ BỤ IHE. Nkebiabụ a zipụtara ọnwụ ka mmadụ nke ihere adịghị n’iku anya. O zipụtakwara ọnwụ dị ka ihe na-egbu n’egbughị oge maọbụ gosi ebere. Nkebiabụ nke anọ na-ezipụta ike ọnwụ nwere n’ebe mmadụ bi n’ụwa nọ nke na ọ na-egbu onye ọ chọrọ, oge ọbụla ọ chọrọ. Nke a pụtara ihe n’ajụjụ nzaraonwe odeabụ jụrụ:

Ọ bụrụ na ọ dị ihe ọzọ ka Ọnwụ,
Gịnị mere ka ajadu nwua n’okporo,
Mgbe ọ nara aga ibute ozu otu nwa ọ
mụtara? (ahịrịabụ 13-15; ihu 3)

Nkebiabụ nke ise dị ka nkebiabụ nke atọ n’ihi na ọ na-ezipụta ọnwụ dị ka ihe nakwa mmadụ. O zipụtara ọnwụ dị ka ihe nwere ike igbu onye nwere ego maọbụ onye enweghị ego. Odeabụ ji nkebiabụ abụọ ndị mechiri abụ a gosipụta ọnwụ dị ka mmadụ.

Ọnwụ, olee ebe ḿmà gị dị
Ọnwụ i zoro úbè gị ebee? (ahịrịabụ 23-24; ahịrị 4)

Ngwa ọgụ ndị a kpọtụrụ aha n’elu bụcha nke ọ bụ mmadụ na-eji. Odeabụ ịjụ ọnwụ ebe ḿmà na ube ya dị gosiri na ọ na-ahụta ọnwụ dị ka mmadụ, nke nwere ike iji ngwa ndị a kpọtụrụ aha n’elu ma jee ozi. Ọzọ, otu ihe pụtara ihe n’abụ Obienyem bụ na o ji nnukwu mkpụrụedemede were malite okwu a bụ ‘ọnwụ’ n’ebe ọbụla ha pụtara ihe. Nke a n’otu aka ahụ kwadoro echemeche na ‘ọnwụ’ bụ mmadụ maọbụ ihe maka na ọ bụ naanị aha mmadụ maọbụ ‘ahaaka’ ka e nwere ike iji nnukwu mkpụrụedemede bido oge ọ/ha pụtara n’etiti maọbụ na ngwụcha okwu, dị ka o si metụta nsiede asụsụ Igbo. Nnọchiaha e ji

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

zipụta ọnwụ n'abụ a gụnyere – 'i, gị, ị, ọ.' Abụ a n'uju zipụtara obi ilu na iwe odeabụ nwere n'ebe ọnwụ nọ.

- **Ọnwụ - J. U. Tagbo Nzeako (ihu 4-5)**

'Ọnwụ' nke J. U. Tagbo Nzeako nwere nkebiabụ iri na atọ. Nkebiabụ nke ọbụla nwere ahịrịabụ anọ anọ. Mbụrụ ndịnechiche gbara elu n'abụ a bụ 'ỌNWỤ BỤ MMADỤ' n'agbanyeghị na e nwere mpụtara 'ỌNWỤ BỤ ÍHÉ' na nkebiabụ nke iri na otu (ihu 5). Na nkebiabụ a, odeabụ bụ Tagbo Nzeako zipụtara ọnwụ dị ka ihe chekwubere mmadụ nke kwesịrị ka mmadụ ghara ịtụ ụjọ. N'izipụta 'ỌNWỤ BỤ MMADỤ', Tagbo Nzeako, na nkebiabụ nke mbụ kọwara ọnwụ dịka ihe mmadụ niile kpọrọ asị -

> Ihe niile nwere ndụ, kpọrọ ọnwụ asị
> N'ihi, ọnwụ enweghị enyi ma otu (ahịrị 25-26, ihu 4)

Ihe niile dị ndụ ịkpọ ọnwụ asị maka na o nweghị enyi gosiri na ọnwụ n'onwe ya so n'otu n'ihe nwere ndụ. Tagbo Nzeako gakwara n'ihu na nkebiabụ ahụ kọwaa na ọnwụ anaghị anụ arịrịọ mmadụ. Mmadụ na-eji ntị anụ arịrịo mmadụ ibe ya. Ikwu na ọnwụ anaghị anụ arịrịọ mmadụ gosiri na ọnwụ nwere ntị, nke so n'otu n'ime akụkụ ahụ mmadụ dị ndụ nwere. Na nkebiabụ nke abụọ, odeabụ jụrụ ihe kere ọnwụ n'ụwa ma mee ya onye iro mmadụ niile; nke a na-egosi na ọnwụ bụ ihe ekere nke nwere ike ịbụ onye iro mmadụ ibe ya. Na nkebiabụ nke atọ, odeabụ zipụtara ọnwụ dị ka onye maara mmadụ dum nke na o nweghị onye ọ na-echefu. Ahịrịabụ abụọ ndị mechiri nkebiabụ ahụ zipụtakwara nke a nke ọma:

> Ọ bụ na anya ọnwụ na-ahụ ụwa niile?
> Ụkwụ ya na-agazu n'ụwa niile? (ahịrị 35-36; ihu 4)

Ahịrịabụ ndị a dị n'elu na-egosi na ọnwụ, dịka mmadụ e kere eke, nwere anya o ji ahụ ụzọ ma nwekwaa ụkwụ o nwere ike iji mee njem. Nkebiabụ nke anọ zipụtara ike ọnwụ nwere n'ụwa, nke na ụra enweghị ike ịtụ ya, ọ bụladị otu ụbọchị. Ọzọ kwa, ọ dịghị aka

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

nka ka mmadụ nkịtị. arahụghị ụra na akaghị nka ọnwụ bụcha njirimara mmadụ nke ọnwụ, dịka mmadụ, ji ikike ya ma gbochie ihe ndị ahụ. Nke a pụtara na e nwere ike ịkọwa ọnwụ dị ka mmadụ pụrụ iche. Odeabụ gosiri mgbagwoju anya na nke a oge ọ sịrị - ma anya anaghị ahụ ya. Nke a na-akọwa na n'uche odeabụ, mmadụ kwesịrị ịdị na-ahụ ọnwụ anya ebe ọnwụ n'onwe ya bụ mmadụ. Nkebiabụ nke ise zipụtara ọnwụ dị ka onye na-anaghị eri ego ma hapụ ndị ọma ka ha dị ogologo ndụ. Nke a pụtara na ọnwụ nwere ike iri akaazụ/ngarị maọbụ nara ego iji megharịa ihe dị ka mmadụ nwere ike ime. Ụdị omume ọnwụ a butere mgbagwoju anya nye odeabụ nke mere o ji jụọ ọnwụ 'Olee ihe mere na ị dịghị eri ego … (ahịrị 41, ihu 4). Na nkebiabụ nke isii, odeabụ zipụtara ọnwụ dị ka onye nwere ogologo ndụ n'ụwa, nke mere o ji ajụ ya 'Olee mgbe ike gị ga-agwụ n'ụwa?' (ahịrị 48; ihu 5). Nkebiabụ nke asaa na-egosi na ọnwụ bụ mmadụ, nke nwere ike ime mmadụ ihe ọjọọ. Nkebiabụ nke asatọ na-ezipụta ọnwụ dị ka onye ọrụ Chineke, nke na-akpọlara ya ndị nsọ. Nke a na-akwado echemeche na ọnwụ bụ ihe okike, nke nwere ike ịbụ mmadụ. Nkebiabụ nke iteghete zipụtara ọnwụ dị ka onye e nwere ike ịjụ ajụjụ ma bụrụkwa onye a kpọrọ asị. Na nkebiabụ nke iri, odeabụ jụrụ ọnwụ ihe mere na ọ dịghị akụ aka n'ụlọ mmadụ ma ọ gaa igbu mmadụ. Echiche a gosiri na ọnwụ nwere aka. Dị ka mmadụ, o nwekwara ike ịkụ aka n'ụzọ. Odeabụ gosiri iwe ya na akụghị aka ọnwụ pụtara na ọ naghị enye mmadụ nsọpụrụ ruuru ya ebe a na-ahụta mmadụ dị ka ihe okike kachasị ihe okike ndị ọzọ. Nkebiabụ nke iri na abụọ na-arụtụ aka na ọnwụ na-echetara mmadụ mkpa ọ dị ịtụ egwu. O zipụtakwara ọnwụ dị ka onye nọ n'akụkụ ụlọ mmadụ, na-adọ mmadụ niile aka na ntị. Adọmaka na ntị bụ otu n'ime ejirimara mmadụ. Na nkebiabụ nke iri na atọ, odeabụ gosipụtara uru ọnwụ bara. Ọ sịrị:

> Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị n'ụwa
> Olee n'ụlọ mmadụ ga-ebi?
> Olee ihe oriri mmadụ ga-eri?
> Ọ bụ onye ka mmadụ ga-atụ ụjọ? (ahịrị 73-76; ihu 5-6)

Ndepụta dị n'elu gosiri na ọnwụ bụ 'onye' mmadụ na-atụ ụjọ n'ihi na e wezuga ya, o nweghị onye mmadụ ga-atụ ụjọ. Odeabụ ji nnọchiaha 'ọ, i, ị, gị' were nọchie anya ọnwụ n'abụ ya. Ajụjụ nzaraonwe pụtakwara ihe n'abụ a. N'agbanyeghị obi ilu odeabụ nwere gbasara ọnwụ, o ji nkebiabụ atọ ndị mechiri abụ ahụ zipụta ọnwụ dị ka ezigbo ihe nyere mmadụ ma bụrụkwa nke na-enyere ya aka.

- **Ọnwụ - C. W. O. Ajaegbu (ihu 6)**

Abụ 'ọnwụ' nke C. W. O. Ajaegbu nwere nkebiabụ anọ. Nkebiabụ nke ọbụla nwere ahịrịabụ anọ anọ. Mbụrụ ndịnechiche a chọpụtara gbara n'elu n'abụ a bụ 'ỌNWỤ BỤ MMADỤ.' Otu ụzọ Ajaegbu si zipụta nke a bụ ịrụtụ aka na ọnwụ bụ onye ọrụ ubi nke na-adịghị eche ọka ya ka ọ chaa tupu ọ ghọrọ (ahịrị 78-80; ihu 6). Onye ọrụ ubi bụ mmadụ, nke nwere ubi ebe ọ na-akọ akụkụ ala dị iche iche. N'ihi na ọ bụ ya (onye ọrụ ubi) kọrọ akụkụ ala ndị ahụ, o nwere ikike igbu/iropụ ha oge maọbụ mgbe masịrị ya. Iji zipụta etu ọnwụ si egbu mmadụ oge onye ahụ emezubeghị nzube ya n'ụwa maọbụ mgbe onye ahụ ka bụ okoro, Ajaegbu ji onye ọrụ ubi wee tụnyere ọnwụ ebe mmadụ bụ 'ọka'; nke a kụrụ n'ụwa site n'ọmụmụ ma bụrụ nke a ghọọrọ oge ọ chabeghị site n'ọnwụ. Na nkebiabụ nke abụọ, Ajaegbu zipụtakwara ọnwụ dị ka mmadụ mgbe ọ sịrị:

> Nna m ji egbe achọ gị
> Nne m ji aka odo etu gị;
> Ma ha ahụghị gị (ahịrị 82-84; ihu 6)

Etu nna na nne odeabụ si achọ ọnwụ zipụtara ya dị ka mmadụ nke e nwere ike ịgba egbe maọbụ kụọ aka odo. Nkebiabụ nke atọ zipụtara ọnwụ dị ka onye e nwere ike iji ụgwọ nakwa onye e nweghị ike iyigharị agba ya. Ihe Ajaegbu kwuru n'ahịrị 88 zipụtara nke a n'ebe ọ dị ukwu – 'onye ị kpọrọ oku ga-azarịrị.' Nke a pụtara na ọnwụ nwere ọnụ, nke na o nwere ike ịkpọ mmadụ oku. Nkebiabụ nke anọ zipụtara ọnwụ dị ka onye na-amaghị onye ukwu, nke o ji ama onye nta. N'abụ Ajaegbu, nkebiabụ nke ọbụla ji ahịrịajụjụ bido. Ahịrịajụjụ ndị a gara n'ihu izipụta na ọnwụ bụ mmadụ.

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

Nkebiabụ nke mbụ - Ọnwụ! Olee ebe ị dị? (77)

Nkebiabụ nke abụọ - Ọnwụ! Ebee ka i bi? (81)

Nkebiabụ nke atọ - Ọnwụ! Gịnị ka ị bụ? (85)

Nkebiabụ nke anọ - Ọnwụ! I nwekwere ọmịko? (89)

Ahịrịajụjụ ndị a dị n'elu na-ezipụta na ọnwụ nwere ike inwe ọdịdị, ụlọ obibi, ma na-eku ume. Naanị ihe na-eku ume, ọkachasị mmadụ, nwere ike inwe ọmịko. Iji nke a tụnyere ọnwụ n'otu aka ahụ na-ezipụta na ọnwụ bụ mmadụ. Ajụjụ ndị a nọ n'elu bụkwa ọmụmaatụ nkwusara. Ofomata (n.d) kọwara na a na-ekwupụta nkwusara, ọ na-adị ka onye ahụ a na-agwa ya ọ nọ ebe ahụ, na-anụ ihe a na-agwa ya, mana onye ahụ anọghị ya. Nkwusara ndị a nọ n'elu na-ezipụta ọnwụ dị ka mmadụ nke na-anụ ihe a na-agwa/ajụ ya. Ọ dị mkpa ịrụtụkwa aka na nnọchiaha ndị e ji nọchite anya ọnwụ n'abụ a 'ị, ọ, i, gị' na-ezipụta na ọnwụ bụ mmadụ. Mmetụta odeabụ nwere gbasara ọnwụ bụ nke jọrọ njọ. Ọ hụtara ọnwụ dị ka nsogbu nye mmadụ.

- **Ọnwụ - Chidi Emenike (ihu 44-45)**

'Ọnwụ' nke Chidi Emenike nwere nkebiabụ ise. Nkebiabụ ndị a ahaghị nhatanha. Nkebiabụ nke mbụ nwere ahịrịabụ asatọ, nke abụo nwere ahịrịabụ anọ, nke atọ nwere ahịrịabụ asatọ, nke anọ nwere ahịrịabụ ise ebe nke ikpeazụ nwere ahịrịabụ asaa. Mbụrụ ndịnechiche gbara elu n'abụ a bụ 'ỌNWỤ BỤ NDỤ' n'agbanyeghị na e nwere mbụrụ ndịnechiche 'ỌNWỤ BỤ NJEDEBE.' Nkebiabụ nke mbụ zipụtara ọnwụ dị ka ndụ ebighi ebi, nke na-eme ka mkpụrụobi daa jụụ ma kụdebe kpum-kpum-kpum. Odeabụ bụ Chidi Emenike hụtakwara ọnwụ dị ka mmalite ndụ ọhụrụ. Ọ gara n'ihu na nkebiabụ nke abụọ ịkọwa ọdịdị ndụ ọhụrụ ahụ, nke ga-eme ka ntabi anya bụrụ ihe gara aga. Na nkebiabụ nke atọ, odeabụ ji olu mkpọku/ahịrịmkpu rịọ ka e nye ya ọnwụ - 'Nye m ndụ ọhụrụ nke a!' (ahịrị 105; ihu 45). O zipụtakwara ọnwụ dị ka ndụ dị omimi, ndụ mmụọ nakwa ndụ ụwatụụwa. Chidi Emenike jikwa ahịrịmkpu na nkebiabụ nke anọ kwuo ka a nara ya ndụ nke ụwa. Ọ sịrị:

Nara m ndụ ụwa nke a!

Ndụ nchekasị
Ndụ mmekpa ahụ,
Ekworo, na obi ọjọọ
Ndụ ntaji anya (ahịrịabụ 112; ihu 45)

Echiche e nwere ike inweta na ndepụta a nọ n'elu bụ na e nwere ụdịdị ndụ abụo – ndụ ụwa nke a na ndụ ọnwụ. Odeabụ kpọrọ ndụ ụwa nke a asị nke na ọ chọghịkwa ya ọzọ. Ahịrịabụ ndị a dị n'elu na-ezipụta na ọnwụ dịka ndụ adịghị ka ndụ nke ụwa a. Dịka ndụ, ọnwụ na-eweta afọ ojuju, nnwereonwe, udo, obi ọma nakwa ndụ enweghị ntaji anya.

Iji mee ka ihe a chọpụtara doo anya, a ga-eji tebulu zipụta mbụrụ ndịnechiche ndị pụtara ihe n'abụ ndị e nyochara. A ga-elebakwa anya n'etu e si zipụta mbụrụ ndịnechiche ndị ahụ n'abụ ndị e nyochara.

**Tebulu na-egosi mbụrụ ndịnechiche**

<table>
<tr><th>Abụ</th><th>Mbụrụ Ndịnechiche</th><th colspan="2">Nkwupụta Metụtara Mbụrụ</th></tr>
<tr><td rowspan="5">'Ọnwụ' nke J. Chukwuemeka Obienyem (ihu 3-4)</td><td rowspan="5">ỌNWỤ BỤ IHE na ỌNWỤ BỤ MMADỤ</td><td colspan="2">Ihe zuru ụwa ọnụ nke enweghị mgbota</td></tr>
<tr><td colspan="2">Ihe zuru ụwa ọnụ</td></tr>
<tr><td>Ọnwụ nwere ìkù</td><td>Ihe na-egbu emeghị ebere</td></tr>
<tr><td colspan="2">Ihe dị ike</td></tr>
<tr><td>Ihe na-emenye mmadụ egwu</td><td>Mmadụ nwere ḿmà na ube</td></tr>
<tr><td rowspan="4">'Ọnwụ' nke J. U. Tagbo Nzeako (ihu 4-5)</td><td rowspan="4">ỌNWỤ BỤ MMADỤ na ỌNWỤ BỤ IHE</td><td colspan="2">Onye a kpọrọ asị, na-enweghị enyi</td></tr>
<tr><td colspan="2">Ihe ekere/ onye iro mmadụ</td></tr>
<tr><td colspan="2">'ọmaraire'</td></tr>
<tr><td colspan="2">Ụra-atụ/ ákā-n̄kā</td></tr>
</table>

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

| | | |
|---|---|---|
| | | O nwere ike iri ego |
| | | Ogologo ndụ n'ụwa |
| | | Onye nwere ike ime mmadụ ihe ọjọọ |
| | | Onye ọrụ Chineke |
| | | Onye e nwere ike ịjụ ajụjụ |
| | | Onye nwere ike ịkụ aka |
| | | Ihe chekwubere mmadụ |
| | | Nọ n'akụkụ ụlọ mmadụ/ adọ mmadụ aka na ntị |
| | | Onye e nwere ike ịtụ ụjọ |
| **'Ọnwụ' nke C. W. O. Ajaegbu (ihu 6)** | ỌNWỤ BỤ MMADỤ | Onye ọrụ ubi |
| | | Mmadụ nwere ụlọ obibi |
| | | Onye e nwere ike iji ụgwọ/Ya na mmadụ nwere ike iyi agba |
| | | Onye enweghị ọmịko/egwu-atụ |
| **'Ọnwụ' nke Chidi Emenike (ihu 44-45)** | ỌNWỤ BỤ NDỤ na ỌNWỤ BỤ NJEDEBE | Ndụ ebighi ebi/ mbido ndụ |
| | | Ndụ ọhụrụ |
| | | Ndụ ebighi ebi |
| | | Ndụ ọhụrụ, ndụ obi ọma na udo |
| | | Ọgwụgwụ ihe dum/ oge nnata ụgwọ ọrụ |

Tebulu a dị n'elu gosiri mbụrụ ndịnechiche a chọpụtara n'abụ e nyochara na nchọcha a. O lebakwara anya n'ụzọ e si zipụta mbụrụ ndịnechiche ndị ahụ site n'ịhazi ha na nkebi na nkebi dị ka ha si pụta na nkebiabụ nke ọbụla.

**Nchịkọta**

Ọnwụ bụ ozuru-ọha ọnụ, nke mere na mmadụ na-esi n'echiche echepụta mbụrụ e nwere ike iji kọwaa ọdịdị ya. Nchọcha a chọpụtara na ndị odeabụ e nyochara abụ ọnwụ ha n'*Akpa Uche* (Obienyem, Nzeako, Ajaegbu na Emenike) ji mbụrụ rụọ ọrụ n'ebe ọ dị ukwu. Obienyem na Ajaegbu ji obi ilu zipụta ọnọdụ ọnwụ n'ụwa nakwa ntaramahụhụ ọ na-enye mmadụ; ebe Emenike zipụtara obi aṅụrị n'ebe ọnwụ dị. Nzeako nọ n'agbata otu

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

abụọ ndị a. Ọ kpọrọ ọnwụ asị maka etu o si egbu mmadụ ma hụkwa ọnwụ n'anya maka na ọ na-adọ mmadụ aka na ntị. Nke a n'eziokwu, na-akọwa na n'agbanyeghị eziokwu dị n'abụ, isi sekpụ ntị na ya bụ mma, nke a na-enweta site n'asụsụ. Site n'iji asụsụ nka nke mbụrụ bụ otu n'ime ha, ndị odeabụ ndị a zipụtara mbụrụ ndịnechiche ọnwụ - ỌNWỤ BỤ IHE, ỌNWỤ BỤ MMADỤ, ỌNWỤ BỤ NDỤ na ỌNWỤ BỤ NJEDEBE. N'ime mbụrụ ndịnechiche ndị a niile, nke kacha gbaa elu bụ 'ỌNWỤ BỤ MMADỤ'. ỌNWỤ BỤ IHE pụtara na ọnwụ bụ ihe gbara mmadụ niile nọ n'ụwa gharịị, nke na o nweghị onye nwere ike ịkọwa ọdịdị ya. ỌNWỤ BỤ MMADỤ ji ejirimara mmadụ nkịtị zipụta ọnwụ. Ọ kọwara ọnwụ dị ka onye ọrụ ubi na-aghọrọ ọka ya n'echeghị ka ọ chaa. Ọ kọwakwara ọnwụ dịka onye nwere ụlọ obibi ma nwekwaa akụkụ ahụ mmadụ nkịtị (aka, anya na ụkwụ). Ọnwụ na-ejikwa akụkụ ahụ ndị a arụ ọrụ dị ka mmadụ nkịtị. ỌNWỤ BỤ NDỤ zipụtara ọnwụ dị ka ndụbanye na ndụ ọhụrụ, nke na-enweghị mgbakasị ahụ, ekworo na ntaji anya. ỌNWỤ BỤ NJEDEBE gosipụtara ọnwụ dị ka ọgwụgwụ ihe ekere niile, nke ga-akwụ onye ọbụla ụgwọ dị ka ọrụ ya si dị.

**Nrụmaka**

Crespo-Fernández, E. (2006). The language of death: Euphemism and conceptual metaphorization in Victorian obituaries. *Sky Journal of Linguistics*, *19*, 101-130.

Ekechukwu, R. M. (Ed.) (1979). *Akpa uche: An anthology of modern Igbo verse.* Ibadan: University Press Ltd.

Ekwealor, C. C. (2009). *Agụmagụ ederede Igbo n'ozuzuoke*. Nsukka: Paschal Communications.

Evans, V. & Green, M. (2006). *Cognitive linguistics: An overview*. Edinburgh: Edinburgh University Press.

Gathigia, M. G. (2017). Metaphoric conceptualizations of death in Gĩkũyũ. *Journal of Cognitive Science, 18(2)*, 215-235.

Geary, J. (2011). *I is an other: The secret life of metaphor and how it shapes the way we see the world*. New York: Harper Collins.

Golzadeh, F. A. & Pourebrahim, S. (2013). Death metaphor in religious texts: A cognitive semantics approach. *International Journal of Humanities*, *20(4)*, 61-78.

Kuczok, M. (2016). Metaphorical conceptualizations of death and dying in American English and Polish: A corpus-based contrastive study. *Linguistica Silesiana*, *37*, 125-142.

Kövecses, Z. (2010). *Metaphor: A practical introduction* (2nd edition). Oxford: Oxford University Press.

Lakoff, G. & Johnson, M. (1980). *Metaphors we live by*. Chicago: University of Chicago Press.

Lakoff, G. & Turner, M. (1989). *More than cool reason: A field guide to poetic metaphor.* Chicago: University of Chicago Press.

Lakoff, G. (1993). The contemporary theory of metaphor. In A. Ortony (Ed.), *Metaphor and thought* (2nd ed.) (pp. 202-251). Cambridge: Cambridge University Press.

Liu, D. (2002). *Metaphor, culture and worldview: The case of American English and the Chinese language*. Lanham: University Press of America.

Nyakoe, D. G., Matu, P. M. & Ongarora, D. O. (2012). Conceptualisation of 'death is a journey' and 'death as rest' in EkeGusii euphemism. *Theory and Practice in Language Studies*, *2(7)*, 1452-1457.

Ofomata, C. E. (n.d). *Ụtọasụsụ Igbo maka siniọ sekọndịrị*. Enugu: Format Publishers.

Okebalama, C. N. (2003) *Mkpọlite agụmagụ ọnụ Igbo*. Enugu: Snaap Press Ltd.

Ortony, A. (1993). Metaphor, language and thought. In A. Ortony (Ed.), *Metaphor and thought* (pp. 1-16). New York: Cambridge University Press.

Peter, B. E. (2001). *African traditional religion: A definition*. London: S.C.M. Press Ltd.

Rosenblatt, P.C. (1994). *Metaphors of family systems theory*. New York: Guilford Press.

Sardaraz, K. & Ali, R. (2016). Conceptualisation of death and resurrection in the Holy Quran: A cognitive-semantic approach. *Journal of Nusantara Studies*, *1(2)*, 11-24.

Uzochukwu, S. (2012). *Akanka na nnyocha agụmagụ Igbo* (4th edition). Obosi: Pacific Publishers Ltd.

**Mgbakwunye**

'Ọnwụ' – **J. Chukwuemeka Obienyem**

O nweghị onye n'akụkụ
Ebe ị naghị agaru
Ma ọ bụ maara ọmaraire
Nke nwere ike igbote gị
O nwere ala ebe ị kọrọ ụkọ?
Nnụnụ nke igwe agbanapụghị
Ihe gakwudoro kpakparị nwa Ọkpọ ngụ
N'ime onunu ala

Ọnwụ kwobere awọ akpụkpa na-ata abụọ
N'ihi ihere adịghị Ọnwụ n'iku
Ọọkwa Ọnwụ gburu ahụhụ na-agba ọtọ
Maka Ọnwụ anaghị asọ obere nke ọ na-asọ nnukwu?

Ọ bụrụ na ọ dị ihe ọzọ ka Ọnwụ,
Gịnị mere ka ajadu nwụa n'okporo,
Mgbe ọ nara aga ibute ozu otu nwa ọ mụtara?
Asị m,
Gịnị mere Ọnwụ ịhapụ okenye ruchere nku
gbue nwa ya bụ nwa nta?

Nwaanyị para afọ ime, ya n'uche
Isi waba nwoke, ya n'uche
Ọnwụ na-egbu onye nwere ego
Ọnwụ na-egbu onye enweghị ego
Ọnwụ, olee ebe mma gị dị
Ọnwụ i zoro ube gị ebee?

'Ọnwụ' – **J. U. Tagbo Nzeako**

Ihe niile nwere ndụ, kpọrọ ọnwụ asị,
N'ihi, ọnwụ enweghị enyi ma otu.
Ọnwụ adịghị anụ arịrịọ mmadụ,
Ma ọ maghị onye ukwu na onye nta

Olee ihe kere ọnwụ n'ụwa,
Mee ya onye iro mmadụ niile.
Ma, mee ya, ọ dịghị atụ egwu,
Ị gaa n'igwe mmadụ gbuo mmadụ?

Olee ihe mere na ọnwụ maara mmadụ niile
Ọ dịghị otu onye ọ na-echefu?
Ọ bụ na anya ọnwụ na-ahụ ụwa niile?
Ụkwụ ya na-agazu n'ụwa niile?

Olee ihe nyere ọnwụ ike n'ụwa,
Ụra adịghị atụ ya ọ bụla otu ụbọchị?
Ọ dịghị aka nka dị ka ndị mmadụ?
Ma anya mmadụ adịghị ahụ ya.

Olee ihe mere na ị dịghị eri ego,
Hapụ ndị ọma, ka ha dị ogologo ndụ?
Olee ihe i jiri hapụ ndị ọjọọ,
Ka ha na-eme ihe ọjọọ n'ogologo ndụ ha?

Ọnwụ nwere ogologo ndụ n'ụwa,
Nke malitere mgbe e kere ụwa,
Ma otu ajụjụ ka m chọrọ ịjụ gị,
Olee mgbe ike gị ga-agwụ n'ụwa?

Ọnwụ, m gaghị echefu ihe ọjọọ I mere m,
Gbuo nwa nne m na enyi ọma m.
Ọnụkwube na enyi m Akụnna nwụrụ n'agha,
Agaghị m echefu ha n'ụwa

E leghị anya ike gị malitere n'igwe,
N'ebe ị na-arụrụ Chineke ọrụ,
N'ihi na ị na-akpọlara ya ndị nsọ,
Ma ndị mmehie na-aga n'ọkụ (ala) mmụọ.

Ọ dị ajụjụ ọzọ m chọrọ ịjụ gị, ọnwụ,
Olee ihe ị na-ahapụ mmadụ ọ na-ata ahụhụ,
Gbuo ya naanị mgbe ọ malitere iri uru?
Ọ bụ ya mere mmadụ ji kpọọ gị asị?

Ọ dị ihe ọzọ m chọrọ ịjụ gị,
Olee ihe mere na ị dịghị akụ aka,
Mgbe ị na-aga igbu mmadụ n'ụlọ ya?
O gosighị na I nyeghị mmadụ nsọpụrụ

Ọnwụ bụ ihe na-eche mmadụ niile,
O kwesịrị ka anyị ghara ịtụ ụjọ
Mgbe anyị na-aga ịhụ ndị anyị n'igwe,
Ma na-eto ihe kere anyị ebighi ebi.

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

Otuto dịrị ọnwụ, nke na-echetara mmadụ,
Na ọ dị mma ka mmadụ na-atụ egwu,
N'ihi na ọnwụ nọ n'akụkụ ụlọ mmadụ,
Na-adọ mmadụ niile aka na ntị. 72
Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị n'ụwa,
Olee n'ụlọ mmadụ ga-ebi?
Olee ihe oriri mmadụ ga-eri?
Ọ bụ onye ka mmadụ ga-atụ ụjọ? 76

'Ọnwụ' – **C. W. O. Ajaegbu**
Ọnwụ! Olee ebe ị dị?
Ị dị ka onye ọrụ ubi,
Nke na-adịghị eche ọka ya ka ọ chaa,
Tupu ọ ghọrọ. 80

Ọnwụ! Ebee ka i bi?
Nna m ji egbe achọ gị,
Nne m ji aka odo etu gị;
Ma ha ahụghị gị. 84

Ọnwụ! Gịnị ka ị bụ?
Ụgwọ gị enweghị ọsịsa;
Agbọ gị enweghị nyigharị;
Onye ị kpọrọ oku ga-azarịrị. 88

Ọnwụ! I nwekwere ọmịko?
Ị maghị onye ukwu;
Ị maghị onye nta;
Hei! ị dị m egwu. 92

'Ọnwụ' – **Chidi Emenike**
Ọnwụ bụ ndụ!
Ndụ ebighi ebi
Ma n'ọkụ ma na ndo.
Mgbe ume fepụrụ,
Mkpụrụ obi adaa jụụ
Kudebe kpum, kpum, kpum
Ọbara ajụọ oyi gbakọọ ọnụ,
Mgbe ahụ ka ndụ bidoro. 100

Mgbe anya ọcha kwụrụ jịm
Na-amụke ka afere ọwụwa,
Anya ntabe abụrụ ihe gara aga,
Mgbe ahụ, ndụ ọhụrụ ahụ agamienarị 104

Nye m ndụ ọhụrụ nke a !
Ndụ ikuku na mfegharị
Si n'isi ụwa nke a fee n'ụwa ndị ọzọ
Ndụ dị omimi,
Ndụ nke mmụọ
Ndụ ụwatụụwa
E beghị ebe, e be ebe. 111

Nara m ndụ ụwa nke a!
Ndụ nchekasị,
Ndụ mmekpa ahụ,
Ekworo na obi ọjọọ,
Ndụ ntaji anya. 116

Ọdị ndụ g'aghọta ihe ọ kụrụ;
Ezi osisi g'amịta ezi mkpụrụ,
Osisi ọjọọ amịtakwa mkpụrụ ọjọọ,
Ezi omume anaghị efu ụzọ,
Njọ na mma anaghị agakọ,
Mgbe oge ahụ ruru
Ọdị ndụ anara ụgwọ ya n'uju 123